IGBO

Prince William County
PUBLIC SCHOOLS
*Providing A World-Class Education*

Ezigbo Nne na Nna/Onye Nlekọta:

Obi dị anyị ụtọ na gị n’ezinụlọ gị bụ ndị otu ogige anyị dị iche iche, ebe a na-asụ ihe karịrị asụsụ otu narị dị iche iche ugbu a. Ụlọ Akwụkwọ Ọhaneze Mpaghara Prince William gbadoro anya ịhụ na nwata akwụkwọ ọ bụla nwetara *Mmụta Klaasị Bụ Ọkaibe*. Ebe mbịakọrịta ezinụlọ dị oke mkpa n’usoro ahụ, obi dị anyị anụrị ịnye ụfọdụ ozi ntọala iji nyere nne na nna yana onye nlekọta ọ bụla aka, iji ghọta wee sonyere na mmụta nwa ha.

A na-enye ngwa ụlọ akwụkwọ niile na Bekee; agbanyeghị, anyị na-aga n’ihu atụgharị akwụkwọ ozi na ozi dị mkpa n’asụsụ isii ndị ọzọ nke a na-arịọ kwa mgbe na mpaghara anyị.

Ndị na-asụ ọtụtụ n’ime asụsụ nwere ike nweta elele site n’ozi dị mkpa nke a na-akwalite kwa mgbe na weebụsaịtị Ụlọ Akwụkwọ Ọhaneze Mpaghara Prince William – pwcs.edu yana saịtị ụlọ akwụkwọ nke ọ bụla. Ha niile nwere ngwa Ntụgharị Google pụtara ihie, na-enye ntụgharị nwere oke n’asụsụ karịrị 50. Ọtụtụ mgbe ntụgharị kọmputa mere anaghị ezucha oke, mana ka na-enyekwa njikọ dị mkpa n’ozi ụlọ akwụkwọ. Ọ bụrụ na ohere ịnweta kọmputa adịghị n’ụlọ, ị nwere ike jiri nke dị n’ọba akwụkwọ ọhaneze ọ bụla.

Nke kachasị mkpa, Ngalaba Ụlọ Akwụkwọ na-enye ohere nnweta ndị ọkọwa okwu ọkammara iji nyere ọtụtụ n’ime ndị na-asụ asụsụ ọ bụla aka ịghọta akwụkwọ ozi nwere ozi dị mkpa gbasara nwata akwụkwọ na ikike nne na nna, ọrụ dịịrị ha, ihe atụrụ anya n’aka ha, na okwu ndị ọzọ metụtara ụlọ akwụkwọ na elele yana ọrụ ụmụ akwụkwọ nwere ike ị nweta. Ndị ọkọwa okwu nwere ike nyere aka n’ọgbakọ mkparịta ụka nne na nna n’okwu ndị a, iji hụ na ebugara ma ghọta ntinye onye ọ bụla. Enyere ọrụ ndị a na-agbaghị ezinụlọ ụgwọ ọ bụla.

**Jiri ụzọ ọ bụla ndị a wee nweta enyemaka nke ị chọrọ.**

- N’ịntanetị - gaa na translations.pwcs.edu
- N’onwe gị — gaa ụlọ akwụkwọ nwa gị. Ọ nwere ike ọ gaghị a bụ n’onye na-asụ asụsụ gị ga-adị. Agbanyeghị, onye ọrụ ga-eji akwụkwọ mmado ọkwa iji nyere gị aka.

N’okwu niile, a ga-ajụ gị ka ị weta ihe ndị a:

  - Aha gị na aha nwa gị;
  - Ụlọ akwụkwọ nwa gị, ọkwa na aha onye nkuzi;

- Onye nke (site n’aha ma ọ bụ ọrụ) ị chọrọ ka gị na ya kwuo, yana isiokwu nke mkparịta ụka ahụ; na

- Nọmba ekwentị na oge kachasị mma iji nweta gị.

Ọ bụrụ na nwa gị welata ụlọ ozi sitere n’ụlọ akwụkwọ nke chọrọ nzụkọ; ma ọ bụ n’ịchọrọ nhazi ka gị na onye nkuzi ma ọ bụ onye ọzọ na-arụ n’ụlọ akwụkwọ kpaa, jiri ụzọ ndị a dị n’elu were jụọ maka onye ọkọwa okwu iji nyere aka na mkparịta ụka ndị a dị mkpa. Ọ nwere onye nke ga-azaghachi gị ozugbo enwere ike.

Nsonye gị nwere ike ịme ihe ndịiche dị mma na mmụta nwa gị, anyị dịkwa njikere ị nyere aka site na ịme ka ị nweta ọrụ ndị a. Anyị tụrụ anya na leta a zipụtara nke ọma mbọ Ụlọ Akwụkwọ Ọhaneze Mpaghara Prince William na-agbara gị na nwa gị. Atụkwasara m obi n’isonyere na agụụ nke anyị nwere na nwata akwụkwọ ọ bụla nwetara Mmụta Klaasị Bụ Ọkaibe.

Onye nke gị,



Dr. Steven Walts
Onye nlekọta Ụlọ akwụkwọ

*Mgbe ị na-aga pwcs.edu, chọọ ihe okirikiri nwere agba iji chọta ibe ndị nwere ọkwa akọwara n’ozi a.